IBO *Heart Book*

# NKPURU OBI

# NKE MADU



COPYRIGHT

ISBN 0 - 908412 - 07 – X

E-MAIL: info@angp.co.za

ALL NATIONS GOSPEL PUBLISHERS
P.O. Box 2191, PRETORIA, 0001, R.S.A.
(A Gospel Literature Mission financed by donations) (Reg. No. 1961/001798/08)

## ULO NSỌ NKE CHINEKE M'ỌBU ULO ỌLU EKWENSU.

1 Jọn 3:4-10.

Akwukwọ a abugh akwukwọ ọhu. Obu uzọ puta n'obodo anakpọ Faransi (France) ihe kariri ọgu arọ iri gara aga. Owetawo ìhè na ngọzi nye nnu kwuru nnu nkpuru obi. Ọluwo kwa ọlu dika enyo nke ime mọ nime ya ka nwoke na nwayi nwere ike ihu ọnọdu nke ime mọ ha dika Chineke nahu ya. Ọtutu ahuwo obi nke nmehie ha ma chegharia nata kwa obi ọhu ma nwe kwa mọ ọhu nime ha.

Mb̲e inagu akwukwọ a, biko cheta kwa na ọbu enyo nke obi ebe nime ya ka igagu ma huta onwe gi. Ọburu na ibu onye n'ekpere arusi, ma ibu onye nke Kraist ma-ọbu onye nala azu niso Kraist, igahu onyinyo onwe gi dika Chineke nahu ya. Chineke adigh ele madu anya n'iru. Ọnele nkpuru obi ọbugh iru ma-ọbu udidi aru nke madu.

Ekwensu bu nna nke ndi ugha nile, eze nke ọchichiri na chi nke uwa nka. Ọnenwogha onwe ya dika mọ-ozi nke ìhè ma ọbugh kwa mọ-ozi nke ìhè ọzọ dika ọtutu madu newere ya ma we iwe mb̲e ha huru onyinyo ya ebe eweputara ya n'udi ya. Dika ọdi n'ọge ochie, ọbula ub̲ua kwa, ọtutu ndi ozi ugha di, ndi ozi aghughọ, nenwogha onwe-ha dika ndi ozi nke Kraist, ọbugh kwa ihe iju anya, n'ihi na Ekwensu onwe ya neme onwe-ya ka oyie mọ-ozi nke ìhè. 2 Korint 11:13,14. Ndi Ekwensu mere ka anya na uche ha kpue ìsì ka ha ghara ihuta ihu n'anya Chineke, ebube

na idi uku nke Chineke, ndi nenwegh ike ihu Onye nḇaputa ha, bu Kraist Jisọs. 2 Korint 4:4. Madu ndi chi nke uwa nka mere ka ha kpue ìsì enwegh ike ihu mḇe ha naḇa ọsọ aba na nbibi ebigh-ebi, ḇaba na ọku ala-mọ di ebigh-ebi nke ji brimstone enwu. Ha nwuru anwu n'ebe Chineke di ma buru ndi chi nke uwa nka nachi. Efesọs 2:2.

Ihe eji me ka Ọkpara Chineke puta ìhè bu nka, ka Owe la ọlu nile nke ekwensu n'iyi. 1 Jọn 3:8. Wedanu onwe unu n'okpuru Chineke. Guzogidenu onye iro ọgaḇapu kwa n'ebe unu nọ. Biaruenu Chineke nso Ọgabiaru kwa unu nso. Jemes 4:7,8.

Mḇe inagu akwukwọ a nelekwa onyinyo ya anya, igatule kwa obi nke gi onwe gi. Kwe ka enyocha obi gi huta kwa ọnọdu ya. Ọburu na ichọputara na obi gi jọrọ njọ juputa na nmehie, agọnarila ya m'ọbu ezonarila ya, kama kwere ma kwuputa nmehie gi nile. Ọburu na ayi asi na ayi emehiegh ayi naghọḇu onwe ayi, ezi okwu ahu adigh nime ayi. Ọburu na ayi ekwuputa nmehie ayi, Chineke kwesiri ntukwasi obi zie kwa ezi ibaghara ayi nmehie ayi na isacha ayi na nmehie ayi nile. Ọburu na ayi si na ayi emehiegh, ayi neme ya onye ugha, okwu Ya adigh kwa nime ayi. 1 Jọn 1:8-10. Wedanu onwe unu n'okpuru aka di ike nke Chineke ka Owe ḇaghara unu nmehie nile unu were ọbara oke ọnu nke Jisọs Kraist sacha unu.

Ma ibugh onye Chineke nachi igabu onye ekwensu nachi. Ma ibugh oru nke nmehie igabu oru nke Chineke. Ọburu na nmehie nachi gi, agọnarila ya. Kama tikue Chineke onye geme k'ipua n'oru nke nmehie site na Jisus Kraist onye biara n'uwa nka izọputa ndi nmehie, imeghe anya ndi isi, iwepu ayi pua n'ọchichiri na iwepu ọchichiri pua nime ayi. Ọbiara iwebata ayi n'ìhè Ya di ebube. Jisọs biara me ka ayi nwere-onwe ayi pua n'ike nke nmehie na nke Ekwensu. Site na ya ayi nwere Nḇaputa pua na nmehie ayi. Ineguzo n'iru Chineke di nsọ. Onye nahu makwara ihe nzuzo na ihe nkpuchi nile nke ayi neme ma echiche ayi nile. Inwegh ike izonari onwe gi na ọlu gi nile n'ebe Chineke nọ. Onye naku nti dika ihe ọkuku ọgagh anu ihe? Onye kpuru anya ọgagh ahu uzọ? Abu-Ọma 94:9. N'ihi na anya Ya dikwasi n'uzọ nile nke madu, nzọ ukwu ya nile ka Ọ nahu kwa. Ọdigh ọchichiri di, ọdigh kwa onyinyo ọnwu di, ebe ndi nalu ajọ ihe gezo onwe ha. Job 34:21,22. N'ihi na Jehova anya ya nejeghari n'uwa nile, igosi Onwe Ya onye di ike n'akuku ndi obi ha zuru òkè n'ebe Ọnọ. 2 Ihe-Emere 19:9; Jọn 2:24.

Onye ihe nagara nke ọma ka ọbu, bu onye ebupuworo njehie ya, onye ekpuchiworo nmehie ya. Onye ihe nagara nke ọma ka ọbu, bu madu nke Jehova nadigh aguru ajọ omume, ọdigh aghughọ di na mọ ya. Abu-Oma 32:1-5. Gua kwa AbuỌma 51. Jisọs nọ nakpọ kwa òkù ta: "Biakutenum unu nile ndi nadọḇu onwe unu n'ọlu, ndi ebowokwara ibu di arọ. Mu onwem geme kwa ka unu zuru ike.' Matiu 11:28.

## 1. OBI NKE ONYE NMEHIE

Onyinyo nka negosi nkpuru obi nke onye n'ekpere arusi na onye nmehie, nke uwa, nke nwoke m'ọbu nwayi nenwegh nḇanwe nke mọ nke uwa nka na agu ihe ọjọ nile na ọchichọ nke anu aru. Nka bu ezi enyo nke obi ya dika Chineke nahu ya. Anya ya nke nadigh ahuzi uzọ, nke nacha kwa uhieuhie, negọsi ọṅuṅu manya ya. Gua Ilu 23:29-32. "Ònye nwere ahuhu? Ònye nwere anya nacha ọbara? Ndi nanọ ogologo mḇe niṅu manya, ndi nejeghari ichọputa manya agwara agwa. Elekwasila manya anya mḇe ọnacha ọbara, mbe ọnenye udi ya n'iko mḇe ọnasughari nke ọma nime iko. N'ikpe azu ọbu dika agwọ ka ọnata ọbu kwa dika aju-ala ka ọnatu. Anya gi abua gahu nwayi nabugh nke gi obi gi gekwu okwu iḇakuta Chineke azu.

N'okpuru isi igahu nkpuru obi madu nke ọtutu anu di iche iche nakọwa ọtutu nmehie di iche iche di n'obi madu, bi. Nkpuru obi bu ọnọdu (ime ulo m'obu ulo) nke nmehie ayi. Chineke si: "Obi di aghughọ kari ihe nile, ihe nadigh ngwọta ka ọbu: Ònye gamara ya?' Jere. 17:9.




Jisọs kwuru si: "N'ihi na nime, bu n'obi madu, ka echiche nile jọrọ njọ si aputa, ikwa iko nile, ori nile, ib̲u madu nile, ikwa iko nile nke ndikom nwere nwunye na ndinyom nwere di, anya uku nile, ajọ ihe nile, aghughọ, agu ikwa iko, ajọ anya, nkwulu, npako, enwegh uche: ajọ ihe ndia nile nesi nime madu aputa, ha nemeru madu." Mak 7:21-23.

ÉKWÚRÙ:

Ihe mbu ekere bu ékwúrù. Nnunu mara nma nke uku new ṅkù ọma nwere àgwà di egwu, ọnekwu n'ebea ihe bayere nmehie nke npako. Lusifa (Lucifer), Cherub (mọozi) etere manu onye buri nwa chi-ọbubọ nke Chineke, mọ-ozi nke Chineke, dara site na npako ghọ onye iro nke Chineke, ọbu ekwensu. Aisaia 14:9-17. Ekwensu bu mọ-ozi nke ọchichiri ọbugh kwa mọ-ozi nke ìhè ọzọ.

Npako negosi onwe ya n'ọtutu uzọ. Ufọdu neme npako n'ihi na ha nwere ọtutu àkù, site n'ihe nnweta nke igwe ehi, igwe ewu na aturu, ọtutu ulo ma-ọbu ala, site n'uwe di oke ọnu ahia ha nwere, n'iru ọma na aru ọma ha nwere nke ha nekpughe negosi n'uzọ ihere. Ufọdu neme npako n'ihi obodo ha, n'ihi amam ihe nke akwukwọ, site n'idi ike, na otu ihe uwa ji agara ha nke ọma, site nudi nke akpukpọ aru ha na site n'ọtutu ihe efu ọzọ di iche iche.

Ọtutu ndi ọzọ neme onwe ha kaha ma nma site na nb̲a-aka, ọla-nti, nachọ iru ha na aru ha nma site nihe otite, bu aru Chineke mere ka ozue oke. Chineke nedo onwe ya imegide ndi npako, ma ọnenye ndi di ume ala n'obi amara. 1 Pita 5:5. Npako na nganga ka Chineke kpọrọ asi. Ilu 8:13. "N'iru ntipia ka npako naga mọ di elu nebu ọdida uzo." Ilu 16-18.

NKITA: ma-ọbu MKPI:

Nkita nakọwa agu nke anu aru, omume aru, ikwa-iko nke nwoke nwere nwunye na nwayi nwere di na ikwa iko nke nwoke nenwegh nwunye ma-ọbu nwayi nenwegh di. Nkita nemeru onwe ya ebe ọbula ọnaga. Ọtu ahu ka ọtutu madu di. Ebe ọbula ha naga ha ewere aka, were anya, were ukwu, were imeghari aru achọ enyi. Ikwa iko n'uzọ di iche iche abawo uba n'oge ikpe azu ndia jọrọ njọ. Umu-okorọbia enwegh ike ijide onwe ha rue n'umu nwoke nwere nwunye na umu nwayi nwere di, na ndi di ha m'ọbu nwunye ha nwuru nadi ndu nime ikwa iko. Nmehie nke obodo Sọdọm ejidesiwo ndu nke nnu kwuru nnu aka ike nimezu okwu Jisọs nke obu uzọ tua aka na ubọchi ikpe-azu gadi ka ubọchi nke Sọdọm na Gọmọra. Ndi obodo Zulu otu aka ahu na ndi obodo Basuto na ebo ọzọ di iche iche nakpọ onye neme omume aru na onye ọkwa-iko 'NKITA'. "Madu di otu ahu agagh eketa ala-eze Chineke n'ihi na n'azu obodo ka ha di, bu nkita nile na ndi nile nagwọ nsi, na ndi nile nakwa-iko, na ndi ob̲u madu nile na ndi nekpere arusi, na onye ọbula nke nahu ugha n'anya neme kwa ya." Nkpughe 22:15. Ya mere b̲anarinu ikwa-iko. Nmehie nile ọbula nke madu neme di nelu aru: ma onye nakwa-iko nemehie megide aru nke onwe ya. "Gini? Ùnù amatagh na unu bu ulo nsọ Chineke? Ọburu na nwoke ma-ọbu nwayi

emerua ulo nsọ nke Chineke (ulo nsọ Chineke bu aru gi), onye ahu ka Chineke gemebi, n'ihi na ulọ nsọ nke Chineke di nsọ, ulo nsọ ahu nke unu onwe unu bu." 1 Ndi Korint 3:16-18; 6:15-20.

ÈZÌ:

Ézì negosi nmehie nke aṅumaṅu manya na iribiga ihe oke. Ézì neri ihe nile nke ọhuru n'uzọ ya. Ọmagh ihe ọma maọbu ihe ọjọ, dika ọtutu madu neri anu nke nwuru n'onwe ya, site na nriria ma-ọbu na anyaḇuru ya anyaḇu. Ha neri ọbara, nkakwu na òké na ihe nile ọzọ di iche iche nke Chineke si ayi erila. Ọlu-ndi-ozi 15:20; Aisaia 66:3-7. Nke ọzọ kwa ha nemeru auru ha, bu ulo nsọ nke Chineke site nita ihe ọtita, ikpọ anwuru, m'ọbu iṅu anwuru nile nadigh ọcha nke neweta nmeru na nmebi nke ọbara ha nke neduba ha n'idi ndu nke nmehie. Setan neme ka agu iṅu anwuru nagusi ha ike. Ọbu nani site n'ike Chineke ka nwoke m'ọbu nwayi ọbula nwere ike irapu ihe efu nka nke newedata kwa ọnọdu madu ala. Ndi madu ma okorọbia ma agadi enwegh ntughari uche bayere iṅu manya ka oḇue ha site n'iṅu manya naba n'anya dika biee (beer) manya na barandi (brandy). Otu ọdi, onye ọṅu manya ọbula agagh eketa ala-eze Chineke. Manya biee ahu abugh nri. Ọbu ihe ọṅuṅu nwuru anwu nke nemeghari anya nekpuchi kwa uche nke madu k'ọghara ima ihe, nke neme ka ndi nile naṅu ya neme omume jọrọ njọ. Ha neme omume aru site na ya ḇue madu nke ha agaragh eḇu ma ọburu na anya doro ha. "Onye nakwa emo ka manya bu, onye nkpọtu ka ihe ọṅuṅu nke naba n'anya bu; Onye ọbula nke nawaghari na ya amagh ihe." Ilu 20:1. N'iwu Moses, onye ọbula nwere nwa nenupu isi, nke nagubiga kwa manya oke, anatuḇu ya na nkume ọnwua Deut. 21:19-21. Ndi nile nemeputa biee (beer) m'ọbu manya ndi ọzọ nile di ike na ndi nere ya na ndi naṅu ya ha nile nọ n'ikpe ọmuma' n'ihi na okwu Chineke si: "Ahuhu gadiri onye neme ka madu ibe ya ṅua ihe, onye newere akarama nye ya, nkeneme kwa ka ọṅubiga manya oke." Habakọk 2:15. "Ekwela ka eduhie unu, ndi nakwa iko, ma ọbu ndi nekpere arusi ma-ọbu ndikom nakwa iko, bu ndi nwere nwunye, ma-ọbu ndikom neme dika ndinyom, ma-ọbu ndikom nemeru onwe ha n'aru ndikom, maọbu ndi ori, ma-ọbu ndi anya uku, ma-obu ndi NAªUBIGA MANYA OKE, ma-ọbu ndi nkwutọ, ma-ọbu ndi napunara madu ihe, ha agagh eketa alaeze Chineke." 1 Kọrint 6:9,10.

"Ma ọlu nile nke anu-aru putara ìhè, nke di ka ndia: ikpere arusi, igwọnsi, ibu iro, esem-okwu, ekworo. IṄUBIGA-MANYAOKE na ihe yiri ihe ndia. Ndi neme ihe di otu a agagh eketa ala-eze Chineke." Gal. 5:19-21. "Aṅubigala manya biee (beer) oke, kama juputanu na mọ-nso." Efe. 5:18. Ọbu ndi akpiri nakpọ nku ka Jisus nakpọ oku nka: "Ọburu na akpiri akpọ madu ọbula nku, ya biakutem, ṅua miri nke ndu nefu." Jọn 7:37,38. "Ge nti, onye ọbula nke akpiri nakpọ nku, bianu na miri, onye ahu kwa nke nenwegh ego; bianu, zuru ọka (nri) rie; e, bianu, zuru kwa manya-vine na miri-ara-ehi nejigh ego narugh ọnu ahia. N'ihi gini ka unu natu ego inye n'ọnọdu ihe nabugh nri? Na ihe putara na ndọbu unu nadọḇu onwe unu n'ọlu." Aisaia 55:1,2.

MBÈ:

Anu nka nadigh agasi ije ike negosi ihe bayere nmehie nke ume-ngwu emegh ihe mḇe okwesiri na igwọ nsi. Ekweghekwe di ka nmehie nke igwọ-nsi. Onye-ume-ngwu nadaba n'ọnwunwa di iche iche. Kama ilu ọlu ọrọrọ izu ori, nke nedubakari niḇu madu. Ume ngwu nke ime-mọ neḇochi ayi ikpe ekpere, igu akwukwọ Nsọ na iga Ulo Chineke (Chọchi). Ọnebochi ayi inyocha Okwu (Bible) Chineke nke ayi sitere na ya nwe ndu ebigh-ebi. Emegh ihe na mbe ya bu ori nke oge n'ikpe azu ọduba na nbibi. Mḇe Chineke gwara gi okwu ka iwere nkpuru obi gi nye Ya, mḇe ahu ekwensu abia ngwa ngwa si gi rapu ya ka orue echi m'ọbu ubọchi ọzọ inwere ogheré nke, Ewo! napugh ibia. Iganewepu ya eche oghere site n'ubọchi rue ubọchi, site n'otu arọ rue arọ ọzọ tutu ọnwu abiagide gi na mberede iwe nwua nenwegh Chineke, nenwegh nzọputa, na nenwegh Kraist. N'ihi nka Chineke si: "Ta ọburu na ige nti olu Ya, emela ka obi gi sie ike." Hibru 3:7,8.

Ndi dibia neji okpokoro ma-ọbu azu mbe nalu ọlu ha negosi nmehie nke ime na itukwasi nḇasi obi kari itukwasi Chineke di ndu obi. Kama itukwasi Chnieke di ndu obi n'oge ọria na nsoḇu, ndi madu were ntukwasi obi ha nye na arusi, nkpọrọgwu, nkume, mpi ma-ọbu ihe ndi ọzọ nwuru anwu nke ndi dibia negosi, kama mḇe ha naghagh ikwere n'onye Okike na Nḇaputa ha. Chineke nyere umu Israel iwu si: "Ekwela ka nwayi mḇasi di ndu." Ọpupu 22:18. "Agagh ahuta netiti gi

onye neme ka nwa ya nwoke ma-obu nwa ya nwayi gabiga nime ọku, ma-ọbu onye naju ase, ma-ọbu onye neji igwe-oji tua isi ọma ma-ọbu isi ọjọ, ma-ọbu onye naḇa afa, ma-ọbu onye mḇasi ma-ọbu dibia nrafu, ma-ọbu onye naju mọ ihe, ma-ọbu dibia afa, ma-obu onye naju ndi nwuru anwu ihe. N'ihi na IHE ARU NKE JEHOVA ka onye ọbula nke neme ihe ndia bu." Deut. 18:10-12. Unu echela ndi naju mọ ihe iru, unu echekwala ndi dibia-afa iru, unu achọputala ha, iwere ha meru onwe unu: Mu onwem bu Jehova bu Chineke unu." Lev. 19:31. "Madu ahu kwa nke neche ndi naju mọ ihe iru, nke neche kwa ndi dibia-afa iru, iso ha kwa iko. M'gedo irum megide madu ahu, bipu ya n'etiti ndi ya. Unu gedo kwa onwe unu nsọ, we di nso: n'ihi na Mu onwem bu Jehova, bu Chineke-unu." Lev. 20:6,7. "Jisọs Kraist nani Ya bu onye nagwọ ma mọ, nkpuru obi na aru, nke naḇaghara ayi ajọ ọmume ayi nile, nke nagwọ ọria ayi nile." Abu-Ọma 103:1-3. Òdi onye ọria naria n'etiti unu ya kpọ ndi okenye nke Chọchi (ọbugh ndi dibia) ka ha kpere ya ekpere, ekpere nke okwukwe gazọ-puta onye ọria ahu. Onye-nwe-ayi geme kwa ka obilie. Ọburu na ọdi nmehie omere agaḇaghara ya nmehie ahu dum. Kwuputanu nmehie unu gwarita ibe unu, onye ọbula kpe kwa ekpere n'ihi ibe ya ka ewe gwọ ọria unu." Jemes 5:14-16; Nkpughe 22:15.

Mḇe inagu nwa akwukwọ nta nka, Chineke nagwa gi okwu ka ichegharia na nmehie gi ma were ndu gi nye Chineke, ma mọ nke mbe nke di nime obi gi nakpayere gi uka si:

Emela ngwa ngwa, ọbugh ta ka igenye onwe gi, rapu ya echi, rapu ya izu nabia, rapu ya arọ ọzọ ka nma, buru uzọ gwa di gi, buru kwa uzọ mata ihe nwùnye gi ma-obu nna gi gekwu, buru uzọ luta di ma-ọbu nwunye ma bie umu gi úgwù. Kama igege olu Chineke iwere nti gi nye n'olu nrafu nke ekwensu. Site nime otu ahu iwe mesie obi gi ike tutu ọdi ike dika okpokoro ma-ọbu azu mbe.

AGU:
Anu nka juputara n'ike na iwe na akpiri ikpọ nku nke ọbara. Ọnegosi ihe bayere iwe, obi-ọku, ọnuma, na ọtutu ihe ọzọ nke di n'obi madu. Onye ọbula nke mọ obi-ọku na nke iwe nachi nwere ike idaba n'ọtutu omume ọjọ, iṅu iyi, idu-ikwu, ọtutu mḇe n'ibu madu. Ọtutu madu naṅuta mọ-ọjọ site n'iṅu manya, biee (beer) barandi (brandy) nke mere na ha enwegh ike ijide onwe ha. Ọtutu madu ndi nenwegh obi-ike naṅuju manya afọ ka owe nye ha ike ma-ọbu uche iji meghachi ihe emere ha. "Edide agwọ di ogologo ka manya-vine ha bu, na nsi di ìrè nke aju-ala." Deut. 32:33. Inyegha-chi ihe ọjọ n'ọnọdu ihe ọjọ di utọ n'obi nke nmehie, ma Chineke bu onye nabọrọ ayi ọbọ. Jisọs si: "Hunu ndi iro unu n'anya." Chineke kwere nkwa iḇaghara ayi nmehie ayi ma ọburu na ayi aḇaghara ndi nemehie megide ayi.

AGWO:
Ọbu ihe nka ekere eke mara nma nke uku n'oge gara aga rafuru Adam na Iv n'ogige Iden, nimebi nmekọ n'idi n'otu di utọ ha nwere n'ebe Chineke nọ, Ekwensu biliri n'ekworo mḇe ọhuru otu Chineke ji hu nwoke mbu na nwayi mbu n'anya na otu odoro ha ndi nachi uwa nile n'ọnọdu Lusifa (Lucifer) ekwensu. Ekworo ka Ekwensu ji tua atu-matu owe gara ya nke ọma nimebi ndu madu na nmekọ di egwu madu nwere n'ebe Chineke nọ. Otu ekworo ahu nwuru anwu di ilu di nime nkpuru obi gi na ndu gi neḇochi gi obi utọ, mḇe obi natọ ndi ọzọ utọ ha we biri n'ọṅu. Ndi-ozi nke Kraist geche onwe ha nche nwe nlezi anya ka ha ghara inwe mọ ọjọ nke ekworo ma ọburu na ọmasiri Chineke iwere onye ozi Ya ọzọ lua ọlu ma-ọbu gọzie ya karia gi onwe gi. Ekworo netiye ọtutu echiche ọjọ n'obi gi ka iwe me ndi ọzọ ^sí, ibibi obi utọ ha na ibu ndi ahu inwere ekworo megide. Ekworo nke di n'etiti di na nwunye nwere ike bibie ulo ha na ndu ha nile.
Ekworo siri ike dika ala-mọ. Abu-Nke-Abu 8:6.

AWO:

Awọ neri aja negosi n'ebea nmehie nke afọ ejugh-eju nke ihu àkù n'ego n'anya, nke bu nkpọrọgwu ihe ọjọ nile. 1 Timoti 6:10. Ọdi awọ di n'obodo anakpọ Kongo (Congo) ahuru na awọ ndia neri umu ndinda tutu afọ ha ḇawa ha nwua. Madu nke nwere ndu iribiga ihe ókè adigh ewere ihe onwere nye ndi oḇeye na ndi nọ na nkpa. Ọnaḇali n'uzọ nile, ma nke ziri ezi ma nke nezigh ka okpokọta uru na àkù nile di n'uwa, nke mḇe emesiri nlà na nchara aḇa ha ndi ori ezuru ha. N'ihi nka Jisus gwara ayi k'ayi kpado àkù ayi n'elu-igwe ebe ndi ori adigh egwupu ezu ori, n'ihi na n'ebe àkù gi di k'obi gi gadi kwa. Matiu 6:19-21. Ekan na ezi-naulo ya lara n'iyi n'ihi na ọhuru nkpirikpi ọla-ocha na ọla-edo n'anya na uwe di oke ọnu-ahia we chikọrọ ha bu ihe aburu ọnu. Joshua 7. Judas Iskariọt, Onye neso uzọ Jisọs lara n'iyi n'ihi na ọhuru ego n'anya kari Jisọs. Matiu 27:3-5.

EKWENSU:
Nka bu nna nke ndi ugha nile na ndi neme ugha. Ọbu ya nazu umu anu ahu nile dika onye nazu aturu na onye nachi nkpuru obi. Jisọs si: "Unu onwe unu sitere na nna unu, bu ekwensu, ọbu kwa ihe nagu nna unu ka unu nachọ ime. Ọbu oḇu madu site na mbu ezi okwu adigh kwa nime ya. Mḇe ọbula ọnekwu okwu ugha, ọnekwu ihe nke aka ya, n'ihi na ọbu onye ugha na nna ya." Jọn 8:44.

KPAKPANDO:
Kpakpando negosi akọ-na-uche nime obi madu ọbula. Akona-uche bu ima ihe ọma ma-ọbu ihe ọjọ. Ndi Rom. 2:15; 9:1; 1 Timoti 4:2; Taitọs 1:15; Hibru 10:22. N'ebe a ọdi nji, buru ihe emeruru emeru juputa na njọ. Ọnwuru anwu site ninọgide nemehie, kpu ìsì ma rapu ezi uzọ, nke mere na onwegh ike ikpe omumue ya ikpe. Nani Ọbara Jisọs nwere ike ime ka ọdi ọcha. Hibru 9:14.

ANYA:
Anya Chineke di n'ebe nile nahu ihe nile nke di n'obi. Ọdigh ihe ọbula apuru izopu n'anya Chineke nke di ka ọku. N'ihi ya Ọmara nahu echiche nile zoro ezo na izu nke obi. Ma ọbu na imere ihe ọjọ gi n'ebe ḇakarisiri ọchichiri nke abali, n'oke ọhia dikarisiri ibu, n'ebe dikarisiri oḇu nke osimiri maọbu n'ebe ọbula ọbu. Chineke nahu gi.


MỌ-OZI:
Mọ-ozi negosi okwu Chineke. Gi onye nmehie arafuru, Chineke nagwa gi ka icheghari ka ihè nke Chineke ba n'obi ọchichiri gi. Chineke nagwa gi otu aka ahu, enyim, site n'akwukwọ nka.

NDURU:
Nnunu nka di ọcha, di nwayọ nadigh emeru aru bu ihe atu nke Mọ-Nsọ, mọ nke ezi-okwu nke negosi nmehie na ezi omume na ikpe. N'onyinyo ma-ọbu ihe osise nka mọ nsọ nọ anya n'ebe obi di. Onwegh ike ibi n'ebe nmehie nachi.

UMU IRE OKU:
Umu ire-ọku ndia ḇara obi onye nmehie buruburu, negosi ihu n'anya Chineke nke ḇara obi nmehie buruburu. N'ihi na ọnwu onye nmehie adigh atọ Chineke utọ kama ka ochegharia di ndu. Jisọs biara izọputa onye nmehie. Oke ọn̄u di n'eluigwe n'isi otu onye nmehie nke chegharirí. Chineke chọrọ ka Owere nani ọbara Ọkpara Ya, bu Jisọs Kraist sacha obi, nke umu ire-ọku ndia bu onyinyo ma-ọbu ihe àtù. Ihu n'anya Chineke nachọ k'ọbata nime obi juru oyi nwukwara anwu. Umu ire-ọku ndia negosi ỌBARA NWA ATURU CHINEKE nke nebupu nmehie nke uwa. Ihu n'anya Chineke nachọ iba n'obi nke juru oyi nwukwara anwu.

Ọburu na onyinyo ma-ọbu ihe osise nke obi a dabara n'otu ọnọdu obi gi di tikue Chineke, meghe obi gi nye Ya k'ihè nke okwu Ya ba nime gi. Kwere n'onye-nwe-ayi Jisọs Kraist agazọputa gi. Chineke genye gi obi di ọhu ma tiye mọ di ọhu nime gi ma-ọburu na iriọ Ya. Egosiri nka n'onyinyo nke neso nka.

## 2. OBI NKE IKPE MAWORO NKE NEKWENYE




Onyinyo nka negosi onye namalite icheghari nke chọrọ Chineke. Mọ-ozi nejigide kwa mma-agha, okwu nke Chineke nke di ngwa di kwa ike di nkọ karia mma-agha iru abua, nadu kwa rue nikewa nkpuru obi na mọ, ma nkwonkwo ma umi, burukwa ihe nwere ike ituputa echiche na izu nile nke obi. Ndi Hibru 4:12. Mma agha nke Chineke nechetara ayi na ugwọ ọlu nke nmehie bu ọnwu, ọzọ na edoziri ya ka madu nwua otu ubo, mḇe nke ahu gasiri ikpe eso ya. Ndi Hibru 9:27. Oke nke onye nmehie na onye ekwegh ekwe bu nime ọdọ ọku nke eji brimstone nemenwu.

Nakuku nke ọzọ mọ-ozi ji kwa ọkpukpu isi n'aka. Nka bu ichetara onye nmehie na ayi nile aghagh inwu anwu. Aru ayi nke ayi huru n'anya nke uku, nke ayi tufuru ego niledo ya anya na ikpuchi ya ọtọ na izu ya n'ihe oriri, neme kwa ka afọ ju ya n'uzọ ọbula n'ihe nile nke nagu ya agu, aru a gaje inwu anwu ma rekwa ure. Ikpuru geripia kwa ya. Obi ayi na mọ ayi gaga kwa ikpe n'iru oche ikpe nke Chineke.

N'ebe a ayi nahu onye nmehie ka ọnapalite iṅa nti na ndum ọdu nke okwu Chineke meghe obi ya nye ihu n'anya nke Chineke. Mọ-nsọ nenwubakwa dika ìhè nime obi nke ḇara ọchichiri. Ìhè nke Chineke abanyewo kwa nime malite ichupusi ọchichiri nile. Ebe ìhè batara ọchichiri aḇapu n'ebe ahu. Ihu n'anya nke Chineke nke nekpo ọku, nekpo kwa ọku nime obi nke juru oyi. Nmehie, nke ọtutu anumanu nọchiri anya ya naḇapusi kwa.

N'ihi nka, ọgu akwukwọ, kwe ka Jisọs, Onye bu Ihe nke uwa, ba nime obi gi ka ọchichiri na ọlu nile nke ọchichiri ḇapu n'obi gi mḇe inahu onyinyo ahu. Jisọs siri: "Mu onwem bu ìhe nke uwa: onye nesom agagh ejeghari n'ọchichiri." Jọn 8:12. "Ahuhu nadiri ndi huru ọchichiri n'anya kari ìhe." Mḇe Jisọs bara n'ulo nsọ nke Chineke na Jerusalem, ọchupuru ndi nile nere ehi na aturu na nduru na ndi naḇanwe ego we kpue ego ndi naḇanwe ego iru, we si, "Ulom bu ulo ekpere, ma na unu emewo ya ebe mḇakọta nke ndi nezu ori." Jọn 2:13-17. Ulo ahu bu obi unu. Jisọs abiagh nani ka ọḇaghara ayi nmehie ayi nile, kama ọbiakwara iḇaputa ayi pua na nmehie me kwa ka ayi pua n'ibu oru nke nmehie. "Ọburu na Ọkpara (bu Jisọs) geme k'ipua n'oru, igapu n'oru nezie." Jọn 8:36.

## 3. OBI NKE N'ECHEGHARI

N'ebe a ayi nahu obi nke onye nmehie nke necheghari. Ọnahu kwa, ọnemetu kwa ya bu otu idi uku na idi njọ nmehie ya nile nke esitere n'ihi ya kpọgide Jisọs n'obe. Ka ọnelegide obe ahu anya, nke mọ-ozi, okwu nke Chineke, nekpughere ya, nkpuru obi ya etiwawo kwa. Ihu n'anya nke Chineke nke emere ka ọputa ìhè nime Kraist Jisọs naḇaze obi ya, nke kasi nke

mb̲e ochetara Jisọs Kraist ahu, nwa aturu nke Chineke, onye biara iwepusi nmehie ya nile kwere kwa inwuru ya ọnwu nelu obe.




Na ámàrà Jisọs ube n'afọ kpu kwa Ya okpu ogwu, ku kwa Ya ntu n'ukwu na n'aka ma kwubue kwa Ya n'obe n'ihi nmehie ayi, bu ihe netiwa obi nke onye nmehie nke necheghari. Ka ọnagu n'aṅa kwa nti na okwu Chineke, ọ nahu nime enyo nke Chineke naghọta kwa otu obi ya na nmehie ya si eji nji. Nka naduwa nkpuru obi ya neme kwa ka obi ya nke tiwara etiwa nke neru kwa uju n'akwa akwa n'ihi nmehie ya, Chineke nabiakute kwa ya nso. Ihu n'anya na udo nke Chineke nabanye kwa nime obi ya nke ọbara nke Jisọs Kraist sachapuworo pua na nmehie. Ọna-malite ighọta na Jehova nọ nso ndi obi ha tiwara etiwa, Ọnazọputa kwa ndi azọpiaworo nime mọ ha. Abu-Ọma 34:18. Ọbu onye neme ka ndi obi ha tiwara etiwa diri ndu, Ọnekechi kwa ihe nb̲u nile ha. Ọzọ okwu Chineke nakọwa kwa: ma onye a ka M'gelegide, ọbuna onye ewedara n'ala nke etib̲u-kwa-ra mọ-ya etib̲u, onye nama kwa jijiji n'okwum. Aisaia 66:2.

Mọ nsọ na ihu n'anya nke Chineke nanọgide nime obi nke emere ka ọdi ọcha. Mb̲e ọnele anya n'obe na n'ọbara nke Jisọs n'uzọ nke okwukwe, ọbara nke awusiri n'ihi ib̲aputa ayi na nmehie ayi. Ọnamalite ihuta na anab̲aghara ya nmehie ya, nenwe kwa afọ ojuju nime obi ya na ọbara nke Jisọs, Ọkpara nke Chineke, asachawo ya pua na nmehie ya nile. 1 Jọn 1:7.

Onye ọbula nke kwere n'aha Jisọs agagh ala n'iyi kama ọgenwe ndu ebigh-ebi (Gua 1 Kọrint 6:10,11). Onye ayi sitere na ọbara Ya nwe nb̲aputa ayi nime Ya, bu nbaghara nke ndahie ayi nile dika àkù nke amara Ya si di. Ndi Efesọs 1:7. Ub̲u a onwere mọ ahu nime obi ya ma site ub̲ua ga n'iru ọhugh kwa uwa n'anya m'ọbu ihe nke uwa kama ihe nke Chineke nagusi ya agu ike, onye were ihu n'anya tiye nime obi ya. Umu anu ahu, nke bu nmehie ya apuwo kwa nime obi ya, ọbuna na onye iro bu setan netufu oge n'irapu ya, kama ọnele anya n'azu n'enwe kwa olile anya na ọgachọta kwa ebe ọganọ. N'ihi nka agwara ayi ka ayi n'ekpe n'eche, iji we guzogide ekwensu ka owe b̲apu n'ebe ayi nọ.

## 4. NKE AKPỌGIDEKỌTA WORO YA NA KRAIST

Onyinyo nka nekwu bayere onye nke Kraist nke Chọtara udo zuru oke na nb̲aputa site na aja nke onye nwe-ayi na onye nzọputa ayi, bu Jisọs Kraist, nke esiteworo na ya kpọgide uwa n'obe n'ebe m'nọ, kpọgide mu onwem n'ebe uwa di. Ndi Galetia 6:14. Ọnahu kwa na Jisọs nwuru n'elu obe, ka ayi, ebe ayi nwuworo n'ebe nmehie di, k'ayi we di ndu n'ebe ezi omume di. 1 Pita 2:24. Onye nke Kraist bu onye akpọgidere nye uwa. Enyere ayi na iwu ka ayi naga ije site na mọnsọ, ọbugh imezu ọchichọ ọjọ nile nke anu aru nachọ. Ndi Geletia 5:12-25. Ọzọ kwa agwara ayi k'ayi nabaso odido nsọ nke onye ọbula agagh ahu onye nwe-ayi anya ma onwegh ya. Ndi Hibru 12:14.





Nime obi nke onyinyo a igahu isi nkuku ulo ebe elibere Jisọs n’udọ eji igwe me mḇe eyipusiworo ya uwe ya. N’ebe ahu ka igahu utari na ihe nmekpa aru ọzọ nke ha jiri mekpa Ya aru n’iwe, n’ihi na ahuhu nke garari adakwasi ayi dakwasiri Ya. Aisaia 53:11-12. Apiara Ya utari n’ihi nmehie ayi nile. Eze Herod na ndi ya kwara Ya emo mḇe ha piasiri Ya utari ha yibere Ya uwe uhie-uhie. Ha wetara okpu-eze nke ogwu kupube Ya n’isi n’ọnọdu nke okpu ọla-edo. Ha tiyekwara n’ọba aka Ya ahihia (ámì) n’ọnọdu nkpa n’aka Eze. Ha ḇukwara ikpere n’iru Ya n’akwa Ya emo nasi “To Eze nke ndi Ju!” Ha ḇusakwara Ya ọnu-miri napu kwa Ya nkpa n’aka ahihia ahu ma tie Ya ihe na isi. Mḇe ha kwasiri Ya emo ha we duru Ya ga ka ewe kpọgide Ya n’osisi. Ọtutu di ndi anakpọ n’aha ndi nke Kraist, ha n’ekpe kwa ekpere n’ulo nzukọ Chineke. Ha naga kwa n’oriri nke onye-nwe-ayi, nabu kwa abu nke Chineke, ma na nmehie ha nakpọgide kwa onye nzọputa ha n’obe nke uḇo abua. Ọbugh ndi nile nasi: Onye-nwe-ayi, onye-nwe-ayi gaba n’ala-eze Chineke, kama ndi nile neme ihe nna-ha-nke bi n’elu-igwe nachọ. Matiu 7:21-27. Igahukwasi akpa ego nke Judas nime onyinyo ahu. Judas rara Jisọs nye we nara oru ọla-edo na iri, n’ihi na ihu n’anya ego ekpuchiwo anya ya we nwude obi nke nmehie ya. Ndi agha ndi jidere Jisọs na abali ji udọ igwe na oriọna na ihe nile ndi ọzọ.

Ndi agha ahu ji kwa ọkpukpu nke nwere akuku isi nwekwara ntupọ na aru ya, mḇe ha neche ihe ha geme na uwe ya, ka ewe mezue okwu amuma nke Chineke: Ha nekere onwe-ha uwem. Nelu ihe m’neyi naru ka ha nefe kwa nzà. Abu-Ọma 22:18.

Otu ọdi, otu onye netiti ndi agha were ube ma Ya n’akuku, ngwa ngwa ọbara na miri we puta. Jọn 19:33-37. Tutu oke ọkuku kwa akwa Pita gọnariri Jisọs n’iru otu nwayi ma nwa mḇe nta owe chegharia n’oke anya miri. Ìnekwuputa kwa Jisọs n’okwu ma n’omume? ma-ọbu, egwu ọnatu gi ime nka? Otua ka Jisọs kwuru: Ma onye ọbula nke ga-gọnarim niru madu, ya ka Mu onwem gagọnari kwa n’iru Nnam nke bi n’elu-igwe. Matiu 10:32,33. Jisọs kwukwa-sikwara ọzọ si: Ọburu na onye ọbula achọ ka osom nazu, ya ju onwe ya, buli kwa obe ya nesokwam. Matiu 16:24. ‘Onye nanaragh kwa obe ya sokwam n’azu adigh ekwesim. Matiu 10:38.

Nkume mḇe ebigh-ebi,
Kwe ka m’zoro nime gi,
Ka miri na ọbara,
Nke si n’akuku I puta.
Buru ọgwu nmehie nkem,
K’ọsacha obim nk’ọma.

## 5. ULO NSỌ NKE CHINEKE




N'ebe a anegosi ayi ndu nke onye nmehie nke asachara do kwa ya nsọ nke esitekwara na amara na ebere nke Chineke nke di uku zọputa ya. Ubua ọbu ezi ulo nsọ nke Chineke, ebe Chineke bu Nna nebigide. Ọkpara na mọ-nsọ dika oyinyo nke Jisọs Kraist negosi: Ọburu na madu ahum n'anya, ogedebe okwum: Nnam gahu kwa ya n'anya. Ayi gabiakute kwa ya, neme kwa ebe obibi ayi n'ebe ọnọ. Jọn 14:23. Owedawo ndi di ike pua n'oche-eze, Weli kwa elu ndi ọnọdu ha di ala. Luk. 1:52.

Nkpuru obi ahu abuworo ulo nsọ nke Chineke di ndu. Ewepuwo nmehie. N'ọnọdu nke ọtutu umu anu, nke setan nna nke di ugha nachi, ayi nahu mọ nsọ k'ọnebigide nime obi ahu. N'ọnọdu nke njehie nile nke anu-aru, obi ahu adiwo ka ubi ab̲ara ogige nke anenweta kwa nkpuru, osisi nke nami nkpuru, namiputa nkpuru nke mọ, dika ihu n'anya, ọṅu, udo, nweda n'ala, ogologo ntachi obi, idi nwayọ, idi nma, okwukwe, adigh-ike-n'obi, anya udo. Ya na nkpuru ọzọ nile nke di nma n'ebe Chineke nọ na n'ebe madu nọ. Ub̲ua ọbu ezi osisi namiputa ezi nkpuru nke sikwa na alaka ezi osisivine ahu, Onye-nwe-ayi bu Jisọs Kraist. Ihe nzuzo nke imi nkpuru ahu bu na ọnanọgide na Jisọs Kraist, Jisọs Kraist kwa nime ya. Jọn 15:1-10.

Ọnede kwa okwu Ya nime obi ya. Ebe emejuputara ya wua kwa ya miri (baptism) site na mọnsọ onwere ike imeri anu aru n'ihe nile nke ọnezuputa. Site n'ike nke mọ-nsọ ọnaga ije n'uzọ nke mọ. Ọdigh adi kwa ndu ọzọ site n'ihe ọnahu anya, ma-ọbu nke ọnuru na nke meturu ya, kama ọnadi ndu n'okwukwe; n'ihi na okwukwe nime Jisọs Kraist bu nmeri nke nemeri uwa nile. Ọnadi kwa ndu na olile anya, anab̲a kwa ya ume site na olile anya nke nbiaghachi ngwa ngwa nke onye-nwe-ayi bu Jisọs Kraist. Ọnadi ndu nime ihu n'anya nke Chineke nke nadigide nime ya mb̲e dum.

“Ngozi nadiri ndi di ọcha n'obi n'ihi na ndi ahu geketa uwa. Matiu 5:8. David, nagugh iba uba ya nile, na nmeri ya nile n'ebe ndi iro ya nọ, nagugh ob̲ub̲u nke ob̲uru Goliat bu onye di ebube nile anya, na ndi ọzọ nile, nwekwara otu ihe nke di ya óke nkpa na ndu ya, nke ọmara na ya aghagh ime ma ọburu na ọchọrọ ihu Chineke. Ọkwara akwa site na ala ala obi ya: Kerem obi di ọcha, Chineke. Me kwa ka mọ nke neguzosike di ọhu nimem. Abu-Oma 51:10. Ọdigh madu ọbula puru isacha obi nke aka ya ma-ọbu ikpu obi na isacha ya ka ọdi ọcha, site n'ọlu nke aka ya. Ọgabia-kute Chineke n'obi di ọcha nk'ezi ncheghari na nkwuputa nmehie na irapu nmehie ya nile dika Eze bu Devid mere, dika nwa nmefu rapuru igwe ézì ma lakuru nna ya we si ya n'obi di ume-ala: “Nna, emehiewom n'ebe Chineke nọ na n'ebe gi onwi gi nọ.” Chineke di na njikere ib̲aghara onye nmehie ọbula nke ji obi nke ncheghari zuru oke bia-kute Ya, n'ihi na ọbu Chineke kwere nkwa si: “Obi ọhu ka M'getiye nime unu, mọ ọhu ka M'getiye kwa nime unu. Agamewepu obi nke nkume ahu na anu aru unu, mọm ka M'getiye kwa nime unu me kwa ka unu b̲aso

ukpurum nile. Nka bu ọḇuḇa ndu ọhu nke Chineke mere we kpuchie na ọbara Ọkpara Ya bu Jisọs Kraist.

Nime onyinyo nka ayi gahu Mọ-ozi nke Jehova nama uloikwu-ya buruburu ndi natu egwu Ya. O we dọputa ha. AbuOma 34:7; 91:11; Daniel 6:22; Matiu 2:13; 18:10; Ọlu-ndi-ozi 5:19; 12:7-10. Anahu kwa onye iro nime onyinyo a ebe ọneguzo nso nkpuru obi, neche kwa nwa oge nke ageji nye ya efe ka ọba n'ebe obibi ya mḇe ochie. Nwenu anya udo, nechenu nche. Onye ahu nke nekuru unu ga ikpe, bu ekwensu, dika Ọdum naḇọ uja, ọnejeghari, nachọ onye ọgelomi. 1 Pita 5:8. Guzogidenu onye iro ọgaḇapu kwa n'ebe unu nọ. Jemes 4:7.

## 6. OBI NKE ANWAWORO NKE NKEWA DI KWA NIME YA




Nka bu onyinyo di iru-uju nke onye nala-azu. Otu anya ya amalitewo ikpuchi ekpuchi, nke negosi na ọmalitewo inwe mọ juru oyi, ọnararu ura n'ije nke Kraist ya nadi kwa iche n'uzọ ọbula. Anya nke ọzọ ji kwa ihere natughari onwe ya, naḇalisike ya na uwa ime enyi. Ìhè nke di nime obi ya nada ada ma obi ya negosi kwa na njikere iso Kraist hukọ ahuhu nke di nobi ya adawo-ada nenwegh ike iguzo kwa eguzo ọzọ. Ọnọ n'etiti ọnwunwa nke ọnewere kwa nwayọ nekweyere kama iguzogide ya. Ọnaṅa kwa onye ọnwunwa nti kama iṅa Chineke nti. Ọbu ezie ma elegh anya ọgaburi onye-ọgachọchi, were aha okpukpe Chineke yikwasi dika uwe nelu ndu nke uwa ya, ma nime obi ya ọpuwo n'ebe Chineke nọ, otufuwo ihu n'anya nke mbu n'ebe Chineke nọ, kpakpando nke di nime obi ya, echiche obi ya nanyu kwa anyu, obe ahu aburuwokwara ya ibu arọ. Ọmalitere ima jijiji n'okwukwe ya, omechiri ya na Chineke ikparita uka n'ekpere. Onwekwagh nledo anya ma ka ọnọdu nke obi ya, ọneyekwara onye ọnwunwa ahu ohere izochi onwe ya nime obi ya.

Mọ nke nnunu nganga amalitewo ichọ uzọ ibata. Ọma-litewo nganga ya, elegh anya ochezọwori na ọbu nani amara ka eji zọputa ya ri, me kwa ya ka ọburu onye Kraist. Ọṅuṅu manya nakutu kwa aka n'ọnu-uzọ k'ọbata. Mḇe ufọdu ọdi onye nanwa ya ka ọṅutu ọbula otu iko manya ma-ọbu nagwa ya na manya biee (beer) nke nesigh ike di nma. Ọdigh aghọta na iṅutu nke nta ma ọbu biee nke nesigh ike di ka nwa miri nta nke neduba na miri uku nke ọṅuṅu manya. M'ọbu na nwayi nemere di ya manya biee ya na ndi enyi ya nagọpu onwe-ya na ọbugh ya onwe ya naṅu manya ahu, ma ọneduba kwa ndi ọzọ n'iṅu manya nekweye kwa ka mọ nke ọṅuṅu manya narafu ya. Ikwa-iko nke ndi bu ndi nwere nwunye na nke ndi nenwegh nanwa kwa ya bu onye

nke Kraist n'uzọ nmeghari nile nke ọku ala-mọ. Mb̲e ufọdu ọnamalite iṅuri ọṅu n'ebe okwu nere ure di na okwu nabagh n'ihe, ọmalitewo inwe nkparita ọjọ, neso kwa nime ihe nlere anya nile nke nmehie di nime ya, ya na ite-égwú. Mb̲e ufodu ọgabu na madu gwara ya na egwú nke onye Kraist m'ọbu uzọ nke ite-egwú onye Kraist di nma n'ebe nwoke na nwayi netekọta égwú, ọzọ na ọbu ihe jọrọ njọ ite-égwú n'uzọ nke ndi n'ekpere arusi. Ọdigh aghọta na ebe ọbula na ebe nile anete-égwú namuputa ihe nile nke ruru aru, ọzọ na egwu nke onye Kraist kasi njọ nime ha abua. Nke ana-kpọ uzọ nke onye Kraist ji aṅu anwuru di njọ dika uzọ nke onye ochie ahu nekpere arusi ji aṅu, n'ihi na ha naṅu kwa naga n'iru naṅu kwa, kwa-ehihie na abali. Ọdigh mb̲e ọbula Jisọs ṅuru anwuru, ndi nke Ya adigh aṅu kwa anwuru.

Onye iro nagwa kwa ya na nmehie nganga abugh nmehie. Imehie nani otu ub̲o, ime ihe ruru aru nani otu ub̲o a abugh ihe ọjọ, nka bu ihe onye ọnwunwa nagwa ya tutu mọ ahu nke nabagh n'ihe nke juputara n'ihe ruru aru enweta ohere nime obi ahu nke asachawororі nke ọbiaghachikwara na ya ọzọ.

Onye nke inahu n'onyinyo a nke ji mma nama n'obi nekwu bayere ndi n'akwa emo na ndi nekwugide ibu-onye nke Kraist ma-ọbu ọmuma-Chineke ndi newere okwu ugha nke nkwugide ha naku n'obi madu. Ọdigh anagide ikwa-emo na ichi ọchi nzuzu nke madu, nke ka, nke sitere n'aka ndi eyi ya. Okwu ndia nile naduwa obi ya ebe ọbu na ihu n'anya nke Chineke ajuwo oyi nime ya, ọmalitewo kwa itu-égwù madu kama nke Chineke, ma site n'ihi itu-égwù ihe madu geche m'ọbu madu gekwu, owe buru oru nke madu buru onye nala azu na ndu ya.

Iwe na ọnuma nabia na mb̲e nkpabu na nmekpa aru nachọ ka ha nachi obi ahu. Iṅu iyi na idu-ikwù nemebi kwa ire ya nke ọnejiri na mbu eto Chineke n'ekpekwara Chineke. Ọburu na ekwensu nwere ike inweta nwa oghere nta, nwa ọnu-uzọ nta, agwọ nke anya-uku gabata kwa me nwa uzọ nta ahu ka ọdi uku ka ndi ọzọ we bata.

Ọbu ihe dikariri nfe ikwe ka ihu n'anya nke ego bata n'obi madu ma-ọbugh na ayi leziri anya na ndum ọdu nke Onyenwe-ayi bu Jisọs onye siri: Nechenu nche, nekpe-kwa-nu ekpere, ka unu we ghara iba n'ọnwunwa: Matiu 26:41. Ya mere, onye neche na ọneguzo, ya lezi anya ka ọghara ida. 1 Ndi Kọrint 10:12. Yikwasinu ihe agha nile nke Chineke, ka unu we pu iguzogide ihe nile ekwensu nezu-puta. Ndi Efesọs 6:11-14.

## 7. OBI NKE NKUME MA-ỌBU NKE NDAGHACHI AZU

Onyinyo nka negosi m'ọbi nekpughe ọnọdu obi ndagha-chi azu nke madu, bu obi nke emeworo otu mb̲e ka ìhè nwue nime ya, nke detuwokwara onyinye nke elu-igwe ire, so kwa keta mọ-nsọ, ọdaghachiwo azu. Ọnegosi kwa ọnọdu nke madu onye ọkadigh mb̲e ọbula ochegharịri m'ọbu owere onwe ya nye Chineke, nab̲ayegh ezi okwu nke Ozi-ọma, nke akpọkwara "Ozi Ọma", nke ekpughere ma che n'iru ya. Omere ka obi ya sie ike ka nkume owe nọgide na nmehie.

Jisọs onwe ya kọwara ọnọdu obi nke onye nadaghachi azu mb̲e Ọsiri: "Mb̲e mọ nke di ọcha puru nime madu onye ahu naga ije n'ala kpọrọ nku nachọ kwa ebe nb̲aba, ma onwegh nke ọchọtara, ọsi. M'galaghachi n'ulom nke M'siri na ya puta; ma mb̲e ọnabia we hu na azachasiwo ya dozie ya nke ọma. Mb̲e ahu ọga chiri mọ ibe ya asa nke jọkariri ya onwe ya njọ tiyere onwe ya; ha ewe ba biri n'ebe ahu: Ọnọdu ikpeazu nke madu ahu bia jọkari nke mbu. Luk. 11:24-27. Okwu nke ezi ilu ahu adakwasiwo ya. Ọbu nkita nke la-ghachiri azu n'ihe ọb̲ọrọ, buru kwa nne-ezi nke chighariri ọzọ n'ituru n'apiti mb̲e ọsachasiri onwe-ya. 2 Pita 2:22.




Akwukwọ nsọ ndia nakọwaziri ayi ọnọdu nke obi madu. Nmehie na aghughọ ya nile abiawo nọdu nachi kwa obi ahu. Ọbuna iru ya negosiputa kwa onwe ya otu ọdida nke obi ya ra. Mọ nsọ narapu kwa obi ahu n'ihi na mọ Nsọ na nmehie adigh ebikọta n'otu ebe. Ìhè na ọchichiri enwegh nmekọta ọbula. Obi ahu agagh abu ulo nsọ nke Chineke buru kwa ọḇà nke ekwensu. Mọ-ozi. Okwu nke Chineke, gewere iru-uju pua, nele kwa anya n'azu nenwe olile anya na nwoke ahu ma-ọbu nwayi ahu gecheghari dika nwa nmefu chegharìri. Ochetara onwe ya mḇe ọnọ netiti igwe ezi nachọ kwa iri uḇuḇọ nri nke ezi mḇe orichaworo, ma na ọdigh onye nyere ya. O we cheta ndaghachi-azu ya, ntufu nke ọnọdu ya ochegharia si: Agam ebili jekuru nnam agam asi kwa ya "Emehiewom n'ebe Chineke nọ na n'ebe inọ ekwesigh kwam ka akpọm nwa gi ọzọ. N'ihi ezi ncheghari nke obi ya na iru-uju nke nmehie ya nile, nna ya ḇaghara ya we kpọbata ya ḇukwara ya nwa ehi ázùrù àzù.

Ma na ihe àtù nka nime ihe osise a, ọdigh ihe-ngosi nke ezi ncheghari, ọdigh ilaghachikuru Chineke azu ahuru, ọchọgh nḇaghara nmehie n'ukwu Jisọs. Akọ-na-uche ya di kwa ka ejiri igwe-ọku da me ka odere du. Onwere nti inu ihe ma onwegh ike inu aririọ nke olu Chineke ọzọ. Onwere anya ihu uzọ ma ọhugh olulu nke nenwegh usọtu nke ọgaje idaba na nwa mḇe nta. Onwegh kwa iru ihere ọzọ ime nmehie n'ebe ọra madu nọ.

Setan abiawo kwa ichi eze nime obi ya, ọnanọdu kwa n'oche eze ya nime obi ahu. Mḇe ufọdu ọnafuli onwe ya elu neweputa onwe ya egosi n'elu aru dika ihe bu ezi madu, oyiri ili etere nzu nke negosi onwe ha dika ihe ọma na ihè, ma nime ha juputara n'ọkpukpu nke ndi nwuru anwu na adigh ọcha nile. Matiu 23:27. Nna nke ugha nile ewerewo ọnọdu nke mọ nke ezi okwu. Anu ọbula, nmehie ọbula nwere mọ nedu ya na mọ nke nadigh ọcha neyere ya aka ichi obi ahu. Ọbu ezie na ọgachọ iḇanari umu nmekpa aru ma onwegh ike ebe omeworo onwe ya oru nye ha dum. Ọnahuta kwa ezi okwu nke Chineke mere ka ọputa ìhè site n'aka onye ozi bu Pita, na ndi nile rapuru iwu Moses nwuru nenwegh ebere site n'ọnu ndi ama abua ma-ọbu atọ, ma ahuhu ahu jọkariri njọ ra aṅa, bu nke agagu na onye ahu kwesiri ka enye ya, ka unu chere, bu onye nke zọworo Ọkpara Chineke ukwu, onye guwokwara ọbara nke ọḇuḇa ndu ahu, bu nke eji do ya nsọ n'ihe emeruru emeru, onye mewokwara Mọ nke amara ihe ihere. Ndi Hibru 10:29-31; 2 Pita 2:1-14.

Ndi m'huru n'anya, ọgabu na onyinyo nka na ọnọdu nke obi gi dakọtara n'ọtu, tikue Chineke site n'ala-ala nke obi gi. O nọ na njikere izọputa gi, iḇaghara gi nmehie gi nile m'ọburu na iji obi zuru oke nke di ọcha chegharia. Ya na ndi agha Ya geke kwa onye-iro abu tupu ya n'obi gi ma-ọburu na ijikere ikwere Ya ka ome nka. Bia dika onye ekpe-nta nke biakutere Jisus tie nkpu: Ọburu na I nachọ I puru ime ka m'di ọcha. O we nwe ọmiko, setipu aka Ya, metu ya, si ya,

Anamachọ; ka eme ka idi ọcha. Mak 1:40-43 Ọburu na imesie obi gi ike n'ihu ọchichiri n'anya kari ìhè, olile anya m'ọbu inye aka adirigh gi, n'ihi na inarọrọ ọnwu n'ọnọdu ndu; ọchichiri n'ọnọdu ìhè.

## 8. ỌGWUGWU NKE ONYE NMEHIE





N'ebe a ayi gahu onye-nmehie nke ndaghachi-azu na nke emegh-ihe n'oge ya ka ọnabiaru ọnwu nso, aru ya jupu-tara na ihe nb̲u, obi ya juputakwara n'egwu nke ọnwu. Ọnwu (nwa-ngaghara ọkpukpu) abiawo n'oge mb̲e anelegh anya ya na mb̲e achọgh ya n'iru nb̲aru na itu ujọ nke nbib̲ọ ya. Aghughọ utọ nke nmehie agabigawo, idi-egwu nputa ìhè na idi elu na ugwọ ọlu di ujọ nke nmehie ka ọgezute. Ihe nb̲u nke ọku ala-mọ nejidesi onye ha jidere aka ike. Ncheta nke ọku ala mọ nejidesi kwa obi ya nke egwu juputara nime ya aka ike. Ọbu ezie na ọgachọ ikpe ekpere, ọnachọputa kwa na ya enwegh ike ibiaru nso na inwekọta nkparita ya na Chineke. Okwu efu nile nke nkasi obi nke ndi eyi ya nke uwa nka nagwa ya enwegh ike iyere ya aka, àkù nile nke ositere n'ihu n'anya ego kpakọ agagh azọputa obi ya ime ya ka ọdiri ya nfe bu ihe nb̲u ya ma-ọbu ime ka ndu ya ditu ogologo. Ọgachọputa na ọbu ihe nadigh nfe bu idi ndu dika Chineke si chọ n'ihi na ekwensu enyetugh ya ohere ime otu ahu.

Ihe nile nke ọhuru n'anya ma nke ọdiri ndu nime ha nime uwa nka nadi ka ha nakwa ya emo, ọbuna onye ọzuzu aturu nke ugha ya nke uwa nka enwegh ike iyere ya aka. Mb̲e ahu ka ọgaghọta na ọbu ihe di ujọ isi n'ebe Chineke di ndu nọ puta.

Onenwe olile anya na ya na Chineke gadi na nma n'ihe ndina nke ọnwu ya ma na ub̲u a ọhutawo na ya emegh ngwa. Nnu kwuru nnu madu n'anwu na nberede nenwegh ohere iji chọ Chineke n'ihe ndina nke ọnwu ha. Ya mere ọnagwa ayi ka ayi chọ Chineke mb̲e anachọta Ya. Kama inu okwu ọṅu nke nkasi obi nke Chineke, Onye nmehie nka nanwu anwu, onye juworo amara na ihu n'anya nke Chineke n'oge mb̲e ọdi ndu, nanu olu nke onye ikpe ya k'ọnasi: Puanu n'irum, ndi anabu ọnu, ga n'ọku ebigh-ebi ahu nke edoziworo nye ekwensu na ndi mọ-ozi ya. Matiu 25:41. Dika ọbu kwa ihe edebeworo madu ka ha nwua anwu nani otu ub̲o, ma mb̲e nka gasiri ikpe eso ya; Ndi Hibru 9:27.

## 9. OBI NKE NENWE NMERI

Onyinyo nka negosi obi nke ezi onye Kraist nke nanagide nemeri ọnwunwa na aku-uta na ihe nzuputa nke anu aru na onye iro. Ananwa ya n'uzọ ọbula ma ọneguzọgide rue ọgwugwu ihe nile. Ọkariri onye nmeri ma-ọbu ọbu onye nmeri uku site na Jisọs Kraist, ọbugh kwa nani na ọmalitewo ib̲a ọsọ nke Kraist, kama ọnab̲acha ya, nelegide Jisọs anya, bu onye ndú na onye nmezu nke okwukwe ayi. Ndi Hibru 12:1,2.




Setan, ya na igwe ndi agha ya, nab̲a obi nke kwere ekwe buruburu nele ma agenye ha ohere, ma nb̲ali ha bu n'efu. Npako, ihu n'anya nke ego, mọ nke ihe ruru aru naku aka n'uzọ. N'ọnọdu nke nkita na ágú, ayi nahu "Nkpi na inyi-nya" n'ihi na ọtutu mb̲e nmehie nenwogha onwe ya n'ọtutu uzọ m'ọbu n'ọtutu aha. Ma ezi onye nke Kraist nke nọ na nche n'ahuta nmehie n'uzọ ọbula ojiri bia ma ọbula di mb̲e oji okwu Chineke bia, m'obu dika mọ-ozi nke ìhè, n'ihi na okwu nke Chineke na mọ nke ezi okwu nke di nime ya, neduba ya n'ezi-okwu nile neye kwara ya aka ib̲anari ihe ọjọ ma me ihe ọma. Wezuga umu anu na mọ nke nedu ha, igahu otu madu nke nọ n'iru ya nete kwa egwu, nanwa onye nke Kraist a site n'ihe utọ nke uwa nka bu manya naba n'anya ya na ite-egwu. Ma ihe ndia nile adigh emetu ezi onye Kraist nka edoro nsọ, onye nwuworo na nmehie ma n'uwa. Kama ihe ndia nakpọru ya nso n'ebe Chineke nọ. Madu nke ọzọ ahu neche ya ihe egwu n'iru. Okwu iro dum, okwu azu, ikwa emo na iyi egwu nile sitere n'aka ndi nekwegh ekwe ma ọtutu ub̲o ka ndi nke nakpọ onwe ha nke Kraist n'aha neme kwa ihe ndia dum. Ma ọnakasi onwe ya obi site n'okwu nke Jisọs, onye siri: Ngọzi nadiri unu mb̲e ọbula ha nata unu uta, nesob̲u kwa unu, nekwu kwa ajọ ihe nile di iche iche megide unu n'okwu ugha, n'ihim. Nuria-nu ọṅu, ka obi tọ kwa unu utọ nke uku: n'ihi ugwọ ọlu unu di uku n'elu igwe. Matiu 5:11,12.

Nmehie, anu aru, nke bu ÓNWÉ na onye-iro nab̲alisike idọpu onye nke Kraist pua n'ihu n'anya nke Chineke. Ma site n'oke ọṅu na inwe ntukwasi obi ka ọgewere ezi nkwuwa okwu si: "Ònye gekewapu ayi n'ihu n'anya nke Kraist? ọbu nkpab̲u, ma-ọbu oke nkpa ma-ọbu nsob̲u, ma-obu oke unwu, ma-ọbu iba ọtọ, ma-ọbu ize ndu, ma-ọbu mma-agha? É-è, kama n'ihe ndia nile ayi nemeribiga oke site n'aka onye ahu nke huru ayi n'anya." Ndi Rom. 8:35-39. Ebe oyi-kwasiworo ihe agha nile nke Chineke ọneguzogide onye-iro n'ubọchi ya site n'ike mọ-nsọ owe merie ọnwunwa na anu-aru. Ọghọtawo na Kraist, onye bi nime obi ya, kariri onye-iro na ndi agha ya dum, n'ihi na onye ahu bi nime ayi kariri onye ahu nke bi nime uwa uku, bu onye iro ahu. Jisọs emeriwo onye-iro, nmehie na ọnwu, masite kwa na Ya ka ayi nwe nmeri ma nwe kwa ike merie nara okpu-eze nke otuto.

KPAKPANDO nke akọ-na-uche ya nenwu ọcha dika ehihie. Obi ya juputara n'okwukwe na Mọ-Nsọ. Mọ-ozi nke Chineke nke di n'elu nechetakwara ya nkwa nke ekwere ndi bu ndi nemeri emeri nanagide kwa rue ogwugwu ihe nile. Nkpughe 2:7,11,17,26; 3:5,13,21.

AKPA EGO AHU NKE GHERE ỌNU negosi na ọbugh nani obi ya, kama ego ya kwa ka edoro nsọ nye Chineke. Kama iwere ihe n'nweta ya nke uwa nka netufu n'ihe efu na n'uzọ nmehie, ọneyere ndi ob̲eye aka, nenye otu uzọ n'uzọ-iri na onyinye-amara nime ihe nile onwere, neme ihe ọbula ka esite na ya nye Chineke otuto.

OBE ACHICHA NA AZU negosi na ọnadi ndu di ọcha nebi kwa ezi obi. Ọdigh emeru onwe ya site n'iṅu ihe ọṅuṅu naba n'anya, site n'iri ọbara, anu nwuru-anwu n'onwe-ya ma-ọbu nke anyab̲uru

anyaḇu. Ọdigh aṅu anwuru n'ihi na ọnecheta na ọgedo onwe ya nsọ na ọcha dika ulo nsọ nke Chineke. Obi ya onwe ya abuworo ulo ikpere Chineke, ma ọnaga ulo nzukọ nke Chineke na nrube isi na n'uzọ kwesiri ekwesi nelegh elu-igwe anya n'iru ma miri ọnezo ma-ọbu na ozogh. Ọhuru ikpe ekpere n'anya m'ọbu n'ulo Chineke ma'obu na ezi-na-ulo ma-ọbu nime ulo nke aka ya. N'ihi na ọmatara na ewezuga ekpere na onye nke Kraist apugh idi ndu, dika azu apugh idi ndu ma ewezuga miri.

AKWUKWO NKE ASAGHERE ASAGHE ziputara na Bible bu akwukwọ nke emeghere nye ya, ọnagu namu kwa ubọchi n'ọṅu, nachọta amam-ihe, ike, ndu na ihè, e, àkù nke apugh ikọwa nime ya. Ọbu oriọna nye ukwu ya, mma-agha nke gemeriri ya onye-iro, achicha nke eji azu obi kw'ubochi na miri nke neme ka akpiri ghara, ikpọ ya nku. Ọneji okwu Chineke asa aru mḇe dum newekwara ya dika enyo nke obi ya ebe ọnahu onwe ya ka osi di.

Ọnahu ibu obe n'anya, nke nechetara ya na akpọgide-kọtawo ya na Kraist n'obe ma bilie kwa nwe ndu ọhu ma n'ihi nka nachọsi ike ihe nke di nelu, ihe ebigh-ebi, ihe ana-hugh anya. Ọnọ na njikere izute Chineke, di kwa ka osisi akuworo n'akuku iyi nke nami nkpuru ya na mḇe ya, dika ezi alaka ahu nke nami nkpuru nke uku. Ezi ihu n'anya nke Chineke ejuputawo obi ya ọtugh kwa egwu nke ọnwu. Abu-Oma 1:1-3; Jọn 15:1-14; Jọn 4:18-21

## 10. OTUTO NKE ILA ULO AHU




Jisus siri, "Mu onwem bu nbilite n'ọnwu na ndu : onye nekwere na Mu, ọbuna ma asi na ọnwuru anwu ọgadi ndu ọzọ." Jọn 11:25,26. Nezie, nezie, asim unu onye nanu okwum, nke nekwere kwa onye ziterem, onwere ndu ebigh-ebi, ọbiagh kwa nikpe, kama ositewo n'ọnwu ba na ndu, Jọn 5:24. Ọnwu enwegh kwa egwu ma-ọbu nmekpa aru n'ebe onye Kraist nọ. Ọnwu ole ebe nmeri gi di? Ọnwu ole ebe ihe ọbuba gi di? Eloro ọnwu rue nmeri. Ma ekele diri Chineke, onye nenye ayi nmeri site n'aka onye nwe ayi Jisọs Kraist. 1 Ndi Korint 15:54-57.

Onye ọbula nke diri Chineke ndu adigh atu egwu nke ọnwu. Mḇe oge nke ọgeji rapu uwa nka ruru, ọ neji ọṅu la n'ulo ọma ya nke di ebigh ebi. Onye ozi bu Pọl siri: Ma anọm n'ebe di nkpà n'etiti ihe abua ndia, ebe agu ila na inọ n'ebe Kraist nọ nagum; n'ihi na ọkachasi nma nke uku: Ndi Filipai 1:23. Onye nke Kraist naḇalisike ihu iru Jisus onye nwuru n'ihi ya n'elu obe ma we ḇaputa ya site n'ọbara nke ọwusiri. Mọ Nsọ nechetakwara ya okwu nke Jisus kwuru si: ka unu ghara isoḇu onwe unu, kwerenu na Chineke kwerekwanu na Mu. Nime ulo Nnam ọtutu ebe obibi di agajem ibia ọzọ.

M'ganara kwa unu nye onwem: ka unu-onwe-unu we nọ kwa ebe Mu onwem nọ. Jọn 14:1-14. Ihe anya nahugh, nke nti nanugh kwa, Nke nabagh kwa n'obi madu, ka ha ra, bu ihe Chineke doziri ndi huru Ya n'anya. 1 Ndi Korint 2:9. Onwegh okwu ọbula nke di nime uwa nka nke ruru igosi m'ọbu ikọwa otuto nke ọnọdu elu-igwe nke akwadebere ndi nile ndi nke nwe nmeri n'ebe a n'elu uwa nka ma kwere na Jisus Kraist.

Nime onyinyo nke iri a anechetara ayi ihe bayere ọlila nke ezi onye Kraist. Kama itu-egwu nwa ngaghara-ọkpukpu (bu ọnwu) ọnahu mọ-ozi nke Chineke, k'ọnechere inara mọ nke ikpe namagh n'aka Chineke. Emewo kwa ka mọ ya na obi ya di nfe n'ebe ibu arọ nke anu aru nka puru imebi emebi di ma namali elu n'obi nke onye ahu nkpuru obi ya huworo n'anya. Onye ọbu site na ya ka ọdiworo ndu ma nwu kwa anwu n'ebe uwa di. Anechere inara ya nke ọma n'iru Chineke ebe okwu nke Onye-nwe-ya na Eze ya gasi ya. "I mere nke ọma, ezi oru nke kwesiri ka atukwasi ya obi, ba n'ọṅu nke onye nwe gi." Matiu 25:21. Setan enwe-kwagh ike n'ebe ọnọ ọzọ n'ihi na ihe di oke ọnu ahia n'anya Onyenwe-ayi ka ọnwu nke diri ndi ebere Ya bu. Abu-Ọma 116:15. M'we nu olu ka ọnesi n'elu-igwe da si. De akwukwọ. Ngọzi nadiri ndi nwuru anwu bu ndi ganwu anwu nime Onye-nweayi site na ub̲ua: e, ka mọ-nsọ nekwu, ka ha we si na ndọb̲u nile ha dọb̲uru onwe ha n'ọlu zuru ike; n'ihi na ọlu nile ha geso ha ga. Nkpughe 14:13.

## NDUM ỌDU IKPE - AZU

Ndi m'huru n'anya nke nagu kwa akwukwọ a, ka Chineke yere unu aka ka unu nwe ike were obi unu dum nye Jisọs, n'ihi na Ọ siri, "Nwam nwoke, nwam nwayi, nyem obi gi." (Ilu 23:26). Ọ genye gi obi di ọcha tiye kwa mọ nke di nma nime gi. Ekwela ka obi nke aghughọ gi dufue gi site n'iso ihe ọjọ nke ọnachọ, n'ihi na onye natukwasi obi n'obi nke aka ya, onye ahu bu onye nzuzu: Ilu 28:26. Ma onye neje ije n'amam ihe, onye ahu ka ageme ka owepuga onwe ya. Rapu uzọ njọ ma b̲aso ezi omume n'ihi na ugwọ ọlu nke nmehie bu ọnwu, ma onyinye amara nke Chineke bu ndu ebigh-ebi nime Kraist Jisọs onye-nwe-ayi. Ndi Rom 6:23.

Gi onwe gi bu onye nyefeworo ndu gi n'aka nke Chineke, jidesie uda nke ezi okwu ike, n'okwukwe na ezi okwu nime Kraist Jisus, n'ihi na imara onye ahu nke ikwere emekwara k'imata na ọpuru ichebe ihe nile nke inyeworo n'aka Ya rue ubọchi ahu. Wulie onwe gi n'uzọ nke okwukwe di nso, kpe ekpere nime Mọ-Nsọ, do onwe unu n'okpuru ihu n'anya nke Chineke, nele anya Jisọs Onye bu Uzọ, na Ezi-okwu na Ndu. Onye ndu na onye nmezu nke okwukwe ayi, onye gabia ngwa iwere ndi nke Ya – "bu Eze nke ndi eze na onye Nwe ndi nwe madu.

"Ma onye ahu nke puru iche unu nche ka unu ghara isu ngọngọ, na iguzo unu n'iru ebube Ya nãdigh ita uta n'oke obi utọ, onye nani Ya bu Chineke, buru kwa onye-nzọputaayi, ka ha site n'aka Jisọs Kraist, bu onye-nwe-ayi diri Ya, bu otuto na idi-uku na ike na ichi-isi, mb̲e oge a nile akerugh, ub̲ua kwa, we ru kwa mb̲e nile ebigh-ebi. Amen." Jud 24,25.

"Ala di mara nma kari ihè,
Okwukwe k'ayi ji hu ya anya;
Nna-ayi, Chineke nechere na ya
K'ojikere ayi ebe-obibi.

Ayi gabu abu nke di ngọzi,
N'ala ọm'ahu nke Chineke;
Ọgagh-ewuta kwa ayi n'obi,
Ayi agagh-achọ kwa izu-ike.

CHORUS:-
M'emesia .......... m'emesia
Ayi gezukọ n'ala ọma ahu ......
M'emesia...........m'emesia ........
Ayi gezukọ n'ala ọma ahu."

A SPECIAL WORD FROM ANGP

UN MONDE SPÉCIAL DE L'ANGP

UMA PALAVRA ESPECIAL DA ANGP

This booklet "The Heart of Man" is available in over 538 languages and dialects spoken throughout the world (Africa, Asia, The Far East, South America, Europe, etc.) Our Heart Book is now also available on cell phones, tablets, etc from www.angp-hb.co.za or as an APP "Heart of Man" on Android phones.

Le livre du "Coeur de l'homme" peut etre obtenu en plus de 538 langues et dialectes parles dans le monde entier, a savoir: Afrique, Amerique, Asie, Extreme Orient, Europe. Notre Livre du Coeur est maintenant aussi disponible sur votre Telephone cellular, plaques, etc. de www.angp-hb.co.za ou comme une Application "Heart of Man" sur telephones Android.

Este livro "O Coracao do Homem" e obtfdo em mais de 538 linguas e dialectos falados em todo o mundo, a saber: (Africa, Asia, America do Sul, Extremo Oriente, Europa, etc). O nosso Livro O Coração do Homem tambem esta agora disponivel em telefone celular, tablets, etc. de www.angp-hb.co.za ou como um aplicativo "Heart of Man" nos telephones celulares Android.

The 10 heart pictures contained in this booklet are also available in the form of large coloured picture charts (86 x 61cm) bound together in a set of 10 pictures. These "Heart Charts" can be obtained with European or African features and are particularly suitable to be used in conjunction with the Heart Book for class-teaching, open air evangelization etc. Kindly contact us to ascertain the latest subsidized price of this chart.

Les 10 images du coeur qui figurent dans ce livre peuvent etre obtenues en tableaux de couleur, format 86 x 61 cm, avec des physionomies europeennes ou africaines. Ils peuvent etre utilises en meme temps que le livre du coeur pour des classes bibliques, a l'ecole du dimanche ou lors de reunions de plein air. Soyez aimable de nous contacter pour assurer les derniers prix en cours du tableau.

As 10 imagens do coracao, contidas neste livro podem ser obtidas num conjunto de 10 imagens em colorido no tamanho de (86 x 61 cm). Estes "Cartazes do Coracao podem ser obtfdos com caracterfsticas Europeias e Africanas e podem ser usados em conjuncao com o mesmo livro em classes de ensino biblico, evangelizacao ou ao ar livre. Agradeciamos que nos contacta- se para confirmacao do ultimo preco dos cartazes.



Kindly write to us if you are able to assist us with further translations of our free Gospel literature, informing us of the language into which you could translate this Gospel literature. Your assistance would be appreciated.

If you have found salvation in Christ, or have been otherwise blessed through our Gospel literature, please let us know. We would like to thank God with you, and remember you further in our prayers.

Nous vous invitons a nous contacter pour faire des arrangements concernant de nouvelles traductions de notre litterature, nous informant de la langue dans laquelle vous pouvez traduire cette litterature evangelique. Votre aide sera beaucoup appreciee.

Si vous avez trouve le salut en Christ ou si vous avez ete beni par notre litterature, nous vous prions de nous le faire savoir. Nous aimerions remercier Dieu avec vous et prier pour vous.

Nos vos convidamos a nos contactar, afim de fazer qualquer arranjo concernente a novas traducoes de nossa literatura em outras lfnguas. Vossa assistencia sera muito apreciavel.

Se tem encontrado a salvacao em Cristo, ou se tem sido abencoado por intermedio da nossa literatura evangelica, faca o favor de nos informar. Pois nos gostarfamos de agradecer a Deus juntamente convosco, e lembra-lo sempre em nossas oracoes.

For free Gospel literature, books and tracts in over 538 languages, write to:

Pour obtenir gratuitement de la litterature evangelique, des livres et des traites en plus de 538 langues, ecrivez a:

Para obter gratuftamente a literatura evangelica, livros e folhetos em mais de 538 lfnguas diferentes escreva para:

www.angp-hb.co.za

info@angp.co.za

ALL NATIONS GOSPEL PUBLISHERS
P.O. Box 2191
PRETORIA
0001
R.S.A.

A Gospel Literature Mission financed by donations
Une Mission de litterature evangelique financee de dons
Missao de literatura Evanqelica financiada por donativos

(Reg. No. 1961/001798/08)

The “HEART OF MAN” books can be viewed and downloaded using the following link:

www.angp-hb.co.za